# ỌCHỊCHỌ NKE ONYE KRAIST

**Ndi Kọlọsị 2:20-23; 3:1-25.**

**IHE-ỌMỤMỤ 411**

**Nke Ndi-etiti**

**AMA-OKWU IBU N'ISI: '' Ọ bụrụ na unu soro Kraist-ayị bilikọ, nāchọnu ihe di n'elu'' (Ndi Kọlọsị 3:1).**

**Ọchị chọ**

Gịnị bụ ihe ahụ nke ị na-achọsike karịa ime na ndụ a? Gịnị bụ ọchịchọ gị? Ị chọrọ ị bụ onye na-ejegharị na-ekwusa okwu Chineke? Ọchịchọ ndịa nile, ị bụ onye na enye aka, na ime ihe ọma n'ụwa si n'ebe Chineke nọ bia, onye na-achọ ime ihe ndịa na-achọ ime ihe ga-atọ Jisọs ụtọ. Taa ayị na-agụ akwụkwọ ozi nke Pọl onye ozi degara Ndị Kraist nọ na Nzukọ ahụ nke dị na Kọlọsị. Mụọ nke Chineke mere ka Pọl dee mkpụrụ okwu ndịa, ma edebekwara akwụkwọ ozi a wee denye ya nime Baịbụl. Chineke chọrọ ka ndị Kraist nile gụa akwụkwọ ozi a. Site n'oge ahụ O nyeworo ọtụtụ ndị Kraist aka n'ọtụtụ narị arọ gara aga ma Ọ ga-enyerekwara Ndị Kraist aka taa dịka O nyeworo ndị Kraist dị na Kọlọsị.

**Site N'ọnwụ Baa Na Ndụ**

Ndị ahụ Pọl degara akwụkwọ ozi bụ ndị nweworo ezi mbganwe nke obi. Ha gụrụ onwe-ha dịka ndị nwụrụ anwụ nye ndụ ochie-ha. Ha arapụwo ụzọ na ọchịchọ ochie-ha wee na-ebi ndụ n'ịsọpụrụ atụmatụ nke Kraist Onye bịara n'ụwa ime uche nke Nna-Ya (Ndi Hibru 10:7). Ụfọdụ nime ha bụ Ndi-Ju ndị wetaworo àjà-ha n'Ulo Uku Chineke ahụ nọ na Jerusalem ọ bụghị ka achụa àjà kama ọ bụ nanị ka ha mezue iwu, ma ụfọdụ bụ kwa ndi Mba-ọzọ ndị gbalịworo ime ihe ga-atọ chi ha nke osisi na nke nkume ụtọ. Ma ugbu a ha aghọtawo na mgbalị-ha nile ime onwe-ha ndị ezi omume adawo. Ha ka na echeta kwa amam-ikpe nke obi-ha n'ebe Chineke nọ. Mgbe ha si na mmehie-ha chegharịa wee kwere na Jisọs dịka Onye-nzọputa ha, ewee gbaghara ha mmehie ha ma mee kwa ha ndị ezi omume site n'ọnwụ na mbilite-n'ọnwụ nke Kraist. Na nrube-isi nye iwu nke Jisọs nyere tutu Ọ laghachi n'Elu-igwe, emewo ha baptizim nime miri iji gosi ụwa na ha bụ ndị nwụrụ anwụ n'ebe ndụ ochie-ha dị bụrụ kwa ndị soro Kraist bilikọ ibi ndụ ọhụ dị iche.

**Ịchọ Ihe Ndi Dị N'Elu**

Ugbu a ndụ mara mma nke ndị Kraist nke ha nweworori bụ kwa ihe echere-ha n'iru: ''Ya mere, ọ buru na unu soro Kraist-ayi bilikọ, nāchọnu ihe di n'elu''. Enyere ha ndụmọdụ ka ha tụkwasi uche ha n'ihe dị n'elu ma na-achọsi kwa ike ime uche-Ya karịa ọchịchọ nke ụwa. Ha ga-ekwere ka ihe Chineke were ọnọdụ n'obi-ha, ọ bụghị ihe nke di n'ụwa. Ụbọchị nile tutu ihe banyere ịmụ akwụkwọ, na ndị eyi ayị, na igwu egwu ewere ọnọdụ n'uche ayị, ayị ga ewere oge dị mma kpere Jisọs n'ụtụtụ. N'ebe ọgụgụ a ayị hụrụ n'ama-okwu nke iri na ise na nke iri na isii na-atụpụta usoro òfùfè nro ụtụtụ nke ezi-na-ulo ma-ọbụ ifè òfùfè nke madụ ọ bụla. ''Buru-kwa-nu ndi nēkele ekele,'' na-ekwu banyere ekpere: ''N'ihe nile ọ bụla site n'ekpere na aririo, ya na ekele, menu ka Chineke mara ihe nile unu nāriọ'' (Ndi Filipai 4:6). I kwere ka okwu Kraist were àkù-ya nile biri nime unu n'amam-ihe nile na-atụ aka ịgụ na ịtụghari uche n'okwu Chineke. ''Were abụ ọma na ukwe na abụ nke Mọ Nsọ nēzirita onwe-unu ihe nādurita kwa onwe-unu ọdu'' na-atụ aka ịbụ otù abụ ma-ọbụ abụa. Mgbe ahụ ka ụbọchị na-aga ọ bụrụ na ọnwụnwa abịa, chee uche banyere Jisọs ma cheta kwa na ndụ-gị ka ezoworo nime Chineke site na Kraist—ezowo ndụ gị site n'anya ụwa nile. Ha adịghị ahụ n'obi-gị mmekọrịta dị ụtọ nke i nwere nime Jisọs, ma ha na-ahụ ọñụ nke na enwupụta n'iru-gị.

**Ekewapụrụ Ayị Site Na Mmehie**

Ebe ayị soro Kraist nwụkọ ọnwụ ekewapụrụ ayị site na mmehie ayị mgbe ayị nwere nzọpụta. Emere ka mmehie ayị ''nwụa'', ma-ọbụ ebibiri mmehie ayị. Ime ka nzọpụta ayị nọgide, ayị ga-agbali-si-ike ịnagide ọnwụnwa nke ime mmehie ọ bụla nke pụrụ imerụ arụ ayị nke bụ ulo nke Chineke kere ka ọ bụrụ ebe Mụọ Nsọ ga-ebi. Mgbe azọpụtara ayị, ayị adịghị enwe kwa mmehie nke obi-ọjọọ. Agbapụtara ayị site n'oke iwe iwe ọjọ, mụọ nke ise okwu, okwu ọjọọ, na ịtụ ụgha.

**Iyikwasị Amara Nile Nke Chineke**

Ugbu a ayị yipusịrị mmehie nke ayị na-eme na mbụ, ayị nwere amara nile nke Kraist, nke bụ obi ọmịko ma-ọbụ obi ebere, obi-ọma, ịdị ume-ala n'obi ịdị nwayọ na ogologo ntachị-obi. Ihe ndia ka aga-na-atụkwasị na ndụ ayị mgbe nile n'ebe ọ dị uku. Ayi ga-na-anagiderịta, ma nwe kwa obi-ọma n'ebe ụmụ nne ayị ndi nwoke na ndi nwanyị nọ, ndi eyị ayị n'ulo akwụkwọ, ndi nọ nime nzukọ Kraist ma-ọbụ ndi na-anọghị nime Kraist, ọ bụ ezie na ha adịghị eme ihe ziri-ezi mgbe nile. Ayị ga-eme dịka Jisọs mere. Ọ gbagharawo ayị mmehie, ayị aghaghị kwa ịgbaghara ndị ọzọ. Baịbụl na-ekwu sị, ''Ọ̀ kwesigh kwa gi imere orù-ibe-gi ebere ọbụná dika mu onwem mere gi ebere?'' (Matiu 18:33).

### Ịhụ N'anya Nke Chineke

Karịsịa ihe nile, ma-ọbụ n'itinye ihe nime ụzọ ndia mara mma nke omume onye-Kraist, ayị ga-eyikwasị ma-ọbụ tinye kwa ịhụ-n'anya nke bụ mkpụrụ okwu ọzọ nọchitara anya ịhụ-n'anya nke Chineke. Ị pụrụ ikwu sị, ''Ihu-n'anya nke Chineke adiwori n'obim''. Nke a pụrụ ibụ ezi okwu, ma ana-agwa ndi Kraist nile ka ha na-eto na-aga n'iru n'ihụ n'anya. Ọ bụ ụdị omume a, na-eweta ndụ Onye Kraist n'izu-oke. N'ihe a nile, ihe ọ bụla ayị na-eme iji nyere madụ aka, ma-ọbụ okwu enyem aka ọ bula ayị na-ekwu, ayị ga-eme ha n'ihi na Jisọs chọrọ ka ayị me ya dịka Ya onwe-Ya si mee.

### Ụkpụrụ Nke Na-achị Omume

Akwụkwọ ozi nke Pọl na-aga n'iru n'ikwu banyere ibi ezi ndụ, nke bakwara urù n'ezi-na-ulo, ulo akwụkwọ na n'ọlụ. Nne na Nna kwesịrị inwe obi ebere, na-alụkọ kwa ọlụ n'otù. Nne kwesịrị ịsọpụrụ nna, ma nna kwesịrị inwe ịhụ-n'anya, nwe-kwa ume. Ha kwesịrị ịdị na-adọ ụmụ ha aka-na-ntị, na-akụziri, na atụziri kwa ha aka, ma ụmụ-ha kwesịrị ịdị na-erube isi. Gịnị mere o ji dị mkpa irube isi? N'ihi na ''nka bụ ihe na-atọ ezi ụtọ nime Onye-nwe-ayị''. Ayị na-achọpụta n'ihe ọ̀mụ̀mụ̀ ayị nke taa, na ihe nile nke ayị na-eme ma-ọbụ nke ayị na-ekwu, ma-ọbụ ụzọ ayị si ebi ndụ, ga-abụ ihe na-atọ Kraist ezi ụtọ. Mgbe ayị nọ n'ulo akwụkwọ na mgbe ayị na-alụ ọlụ ayị ga erubere ndị nlekọta isi, ọ bụghị nanị inweta ọnọdụ ọma n'ule, ọ bụghị kwa nanị ime ihe ga-atọ ndi were ayị n'ọlụ ụtọ, kama ọ bụ n'ihi na Chineke chọrọ ka ayị rube-isi, n'ihi na Ọ na-atọ Ya ezi ụtọ mgbe ayị na erube isi.

### Nkwụghachi Ụgwọ Nke Ndụ Ebighi-ebi

Ihe ọ bụla madụ ọ bụla mere n'ụwa nka ma-ọbụ ezi ihe ma-ọbụ ihe ọjọ Chineke nke Elu-igwe n ụwa na-ahụ ya. Ọ na-ahụ ihe nile, Ọ mazuru ihe nile; Ọ bụ Onye ezi omume n'ihe nile, ayị ga-anata ezi ụgwọ ọlụ ma-ọbụrụ na ayị efè Onye-nwe-ayị Kraist òfùfè. ''N'ihi na onye nēme ajọ omume gānaghachi ajọ omume ahụ ọ mere: ile madụ anya-n'iru adịghị kwa''.

## AJỤJỤ

1. Gịnị ka ọ pụtara bụ ''ịnwụkọ nime Kraist''?
2. Gịnị bụ usoro ememe nke ayị na-eme nke na-agba ama nye ụwa na ayị na-ebi ndụ ọhụ nime Kraist?
3. Gịnị ka ọ pụtara bụ ịtụkwasị uche n'ihe dị n'elu?
4. Gịnị ka ọ pụtara bụ ''ime ka ihe nile dị unu n'arụ nke di n'elu ụwa nwụa''?
5. Kpọọ aha mmehie ụfọdụ apụrụ ịkpọ mmehie nke obi okù?
6. Gịnị bụ amara ndị ahụ nke ayị gana-etinye na ndụ ayị, dịka ndị Kraist?
7. Gịnị mere na ayị ga-agbaghara ndị ọzọ?
8. Gịnị bụ ''nkekọ nke izu oke''?
9. Òlee ama-okwu abụa nke dị na ebe ayị gụrụ nke nyere atụmatụ maka òfùfè Chineke nime ezi-na-ulo?
10. Òlee otú ezi-na-ulo nke ndị Kraist ga-esi na-ebi obi?